# Mmetụta Mpaghara, Na Akụ Na Ụba Nne Na Nna Na Mmeta Nke Ọma Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị Siniọ N'ideta Asụsụ Igbo

Roseline Eze, Aruah Onyebuchi & Idoko Nwadimkpa
Department of Arts Education[1] & Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Language
University of Nigeria, Nsukka

roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng

**Ụmị**

E mere nchọcha a ịchọpụta mmetụta mpaghara, na akụ na ụba nne na nna ala Igbo Naịjirịa na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ideta asụsụ Igbo, na zoonu Edukeshọnụ Nsụka, Steeti Enugwu. Naijirịa. Nchọcha a gbasara usoro "Expo Facto", e ji klasị atọ wee mee. Ajụjụ nchọcha atọ na ụmaokwu atọ ka onye nchọcha guzobere maka ya bụ nchọcha. E ji usoro "stratified" họpụta ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri abụọ (120). Ngwaa nchọcha abụọ ka e ji mee nchọcha bụ ule n'asụsụ Igbo (UAI) na njụmaza n'ọnọdụ akụ Akụnụba (NOA) nke ndị ọkammụta na ngalaba asụsụ Igbo, 'Measurement and Evaluation' nyochara ma kwenye na ọ dabara na nchọcha e ji ya eme. Ntụkwasị obi UAI na NOA n'usoro ihe omume mmalite na nke mmecha nke nyere aka 0.72 na 0.74 n'otu oge. Nchọpụta gosiri na ụmụakwụkwọ ndị ogbenye nwere mgbakọ akara dị elu n'asụsụ Igbo. Nchọpụta gosikwara na ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị metara nke ọma karịa ndị nke nwoke, ndị nọ n'obodo mepere emepe mere nke ọma karịa ndị nọ n'ime obodo, ebe ụmụakwụkwọ ndị nne na nna nwere akụ na ụba nke ukwu (High socio-economic status) emetaghị nke ọma, n'ebe ndị nne na nna ha enweghị akụ na ụba nọ. Aro ndị nchọcha tụpụtara gosiri na ndị nkuzi, asụsụ Igbo ga-etinye ndịiche ndị ahụ dị n'etiti ụmụaka ndịnne na nna ha nwere akụ na ụba na ndị ogbenye, abụm nwoke na nwaanyị, ndị nọ n'ime obodo nakwa obodo mepere emepe n'ọrụ mgbe ha na-akuzi Asụsụ Igbo.

**Igodo Okwu** – Asụsụ Igbo, mmeta nke ọma, abụm nwoke na nwaanyị, Akụ na ụba nne na nna na mpaghara ụlọakwụkwọ,.

**Abstract in English**

The study examines the influence of environment and socio-economic statues of parents on students' achievement and interest on Igbo language in Senior Secondary Schools, in Nsukka Education zone of Enugu State Nigeria. The study use Expo-facto research

design involving three intact classes. Three research questions and three hypotheses were formulated to guide the study. Stratified random sampling technique was used to sample 120 students. The two (2) instruments used were the pre-test / post-test of Igbo Language Achievement Test (ILAT) and Socio-economic status Inventory Test (SEIT) which comprises of ten questions. The instruments were developed by the researcher and validated by three experts who are relevant in the study. The instruments conducted using ILAI and SEIT yields a reliability index of 0.72 and 0.74 respectively. Both instruments were positive and high enough and considered usable. The result shows that children from low socio-economic status performed higher than those of high socio-economic status, female students performed higher than the male students. Students in the rural areas performed better than those in the urban area when taught Igbo language. Recommendations were therefore made on the basis of the findings of this study. It was suggested among others that teachers should consider those differences amongst the socio-economic class, male and female gender, urban and rural while teaching Igbo language.

**Ntọala**

Asụsụ bụ otu njirimara mba ọbụla, ma ọ bụ ntọala n’imejupụta ebumnuche n’ihe niile gbasara mmadụ. Ọ bụ usoro e ji ezipụta echiche nakwa usoro e si enyefe omenaala site n’aka fere aka wee rue ndị agba ọhụ aka (Eze na Umo, 2017). Nke a na-enye aka inwe ezi mkpakọrịta na mmekọrịta n’etiti mmadụ na ibe ya. Asụsụ bụ isi sekpụ ntị na nkuzi na ọmụmụ na klasị. Egbe (2015) kwenyere na ọ bụ ya bụ usoro kacha dị ire e ji akpakọrịta na klasị, nakwa usoro e ji egosipụta echiche na mmasị. Eze & Umo (2019) kowara asusu dịka ụzọ mkpakọrịta ụka, ngosi, mgbakọ na echiche gbasara ihe, nke mere na ọ dị mkpa n’ihe niile mmadụ ji adị ndụ. Peters (2007) kwadoro na asụsụ bụ ihe mmụta dị n’ime mmadụ n’ụdị ngosi, na okwu na omume n’usoro omenaala e ji mara mmadụ. Asụsụ bụ otu ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta nke bụ ụdaokwu nwere ezi nghọta nke sitere n'ọnụ mmadụ pụta. Eze (2019) gakwara n'ihu kwuo na asụsụ bụ usoro jikọtara mkpakọrịta ụka ọkachasị n'imepụta ya n'ịdị ike nke mmadụ. Asụsụ bụ ụkwụ ọdịmara nke ndị mmadụ ji akparịtaụka ma na-ezipụta echiche ha n'ụdị ekwurunọọnụ maọbụ ederede (Robin, 2013). N' ịga n'ihu,  Eze & Chigbo  (2011) kọwara na ọ dị mkpa  ịmata na asụsụ bụ njirimara omenaala  agbụrụ ọbụla nke ha ji ezikọrịta ozi. N'ihi nke a mere e ji ekwu okwu sị na agbụrụ ọbụla hapụrụ asụsụ ha ka ọ nwụọ, bụ ndị furu efu . Ndị ịIgbo bụ otu agbụrụ e nwere na Naịjirịa, ma ha nwere asụsụ nke ha na-asụ, bụ asụsụ Igbo.

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala anyị bụ Naịjiria. Asụsụ Igbo baara ndị Igbo nnukwu uru maka na ọ bụ usoro ha ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha, akụzi na ịmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ, n'ogo ọbụla n'agụmakwụkwọ, bido na ọtakara ruo na mahadum. Ọ bụ n'ihi oke uru ọmụmụ asụsụ Igbo bara mere ndị atụmatụ agụmakwụkwọ Gọọmentị

etiti ji gụnye ya n'ime asụsụ amaala atọ ekwekọrịtara ka a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ n'ala Naịjirịa (FRN, 2014). Ọ bụ olu ndị Igbo na-asụ nke ndị na-asụ ya bụ ndị Igbo bi na ndịda ọwụwa anyanwụ Naijiria. Akụkụ ala Igbo ebe a na-asụkarị asụsụ Igbo zọnyere ụkwụ na steeti ise ndị a nke gụnyere: Ebonyi, Enugwu, Imo, Abia na Anambra. E nwekwara ike ịhụ ndị Igbo n'ụfọdụ mpaghara Rivers, Cross Rivers, Benue, Delta, Akwa - Ibom na Kogi. Emenanjo (2015) kwadoro nke a site n'ikwu na ewezụga ala Naijiria, a ga-ahụkwa ndị na-asụ asụsụ Igbo na mba Afịrịka na mba ụwa ndị ọzọ dịka " Equatoria Guniea 'na' Congo". Asụsụ Igbo jikọtara steti ndị a niile ọnụ bụ asụsụ Igbo izugbe.

Asụsụ Igbo izugbe bụ asụsụ nwa afọ Igbo ọbụla na-anụ n'agbanyeghị obodo maọbụ steti o si pụta n'ala Igbo. Nke a bụ maka na e nwere ọtụtụ olundị dị iche iche nke nghọta ha n'enye nsogbu. Ọ bụ ndị otu na-ahụ maka ịkwalite asụsụ na omenaala (SPLIC), bụ nke Maazị S.E Ọnwụ mebere n'afọ 1961 gbara mbọ wepụta asụsụ Igbo izugbe. Ọ bụ olu ahụ a họọrọ nke enweghị ndị a ga-asị na ọ bụ olu ha. E nwetara ya site n'olundị dị iche iche ekpokọtara ọnụ. Ọ bụ n' ụfọdụ olundị ndị a dị iche iche ka e si wee mebe asụsụ Igbo izugbe maka na Igbo na-asụ n'olu n'olu mana a kwaa ụkwara, ọ bụrụ otu. N'ịga n'ihu, Egonu (2016) na Eze (2019) kwadoro na asụsụ Igbo jupụtara n'olundị di iche iche. Olundị a gụnyere : olu Ụzọ-uwani, olu Nsụka , olu Owerre, olu Abia, olu Udi, olu Izii, olu Ọnịcha, olu Afikpo na ndị ọzọ. Asụsụ a nabatara e ji ede edemede asụsụ Igbo bụ asụsụ Igbo izugbe. Mana nke a adịchaghị ire oge niile n'ebe ụmụakwụkwọ na-ede asụsụ Igbo nọ maka na ọtụtụ n'ime ha na-abụ ha na-ede ihe maọbụ aza ajụjụ ọnụ n'ụlọ akwụkwọ, ha na-ewebata olundị ha na ya. Iji kwado nke a, Ede (2007) na nchọcha ha, kọwara na olundị na-emetụta nkụzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo tụmadị mgbe a na-ede edemede Igbo.

Ọtụtụ ụmụakwụkwọ, ọkachasị ndị na-eme asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'ala Igbo anaghị emeta nke ọma n'asụsụ Igbo ọkachasị n'ule mpụga ukwu "Senior School Certificate Examination" (SSCE), n'ụdị "West African Examination Council (WAEC) na "National Examination Council" (NECO). Eze & Chigbo (2011) kọwara na mpụtara ule niile ndị "West African Senior Secondary Certificate Examination" na-ewepụta kwa afọ na-akọwa ọnọdụ nsogbu ndị a, ma were ya tunyere emetaghị nke ọma ụmụakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị na ngalaba mmụta dị iche iche, ọkachasị n'asụsụ Igbo. Onye isi ule Igbo WAEC gbara aka ebe nke a na repọtụ (2020, 2021, 2022) mgbe o kwuru na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'afọ ndị a anaghị enye afọ ojuju, maka na ọnụọgụ ndị dara asụsụ Igbo n'afọ ndị a dị ọtụtụ.

Ọdịda ụfọdụ ụmụakwụkwọ ndị a na-agụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ na-ada n'ule , nwere ike ịbụ site n'enweghị nkwado nne na nna ha gbasara asụsụ Igbo,ebe ndị nne na nna ụfọdụ jụrụ ajụ, ma kpebie na ụmụ ha agaghị eme asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Nke mere na obere ọnụọgụ ndị na-eme ya enweghị mmasị na ya.Ụfọdụ kwenyere na ọ bụ asụsụ

epum (mother tongue) nke enweghị ike inye mmadụ asambodo ịbụ dọkịnta, Injinịa, Famacist na ihe ndị ọzọ na-aba mmadụ ọgaranya (Eze & Umo, 2021). Mmụta na ịzụlite ụmụakan'agụmakwụkwọ na-adabekarị na mbọ onye nkuzi nakwa ogo nwata toruru n'amamihe. Ntọala na gburugburu nwata nọ tolite nakwa ọnọdụ akụnụba nne na nna na-eso akpalite mmasị ụmụaka n'igụ asụsụ Igbo ebe ọ dị ukwu n'ụlọakwụkwọ (Barry, 2005).

Ọtụtụ oge, enweghị ntụkwasị obi, ejighị usoro nkụzi dị ọkpụrụkpụ akụzi ihe, enweghị mmasị n'ebe ụmụ akwụkwọ dị n'ịmụ asụsụ Igbo Izugbe dị ka asụsụ nke abụa bụ ọkpụrụkpụ mperi na-ebute amụtaghị na ọdịda ha n'ule asụsụ Igbo. Enweghị ntụkwasị obi n'ebe ụmụ akwụkwọ jenda nwoke dị n'ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ so n'ihe na-ebute emeghị nke ọma n'ule. Borodovsky na Gogarden (2010) kwadoro na jenda ndị nwoke na-ewere onwe ha dị ka ndị ga-agụ nnukwu akwụkwọ Injinịa, dibịa oyibo, ndị ọka ikpe, ndị mmebe ọgwụ, karịa igbu oge ha n'ịmụ asụsụ agbụrụ nke ha maara bido na nwata. Eamon (2005) nyochapụtara na ụmụ nwaanyị nwere mmasị karịa ụmụ nwoke n'ịmụ asụsụ ebe ndị ọkammụta ndị ọzọ kwuru na onye ọbụla na-agba mbọ. Jenda na-apụtakarị ihe n'ebe mmasị nwoke na nwaanyị nọ n'ịmụ asụsụ maka na ụmụ nwaanyị na-enwekarị mmasị ọkachasị n'ịmụ asụsụ Igbo.

Mpaghara ụlọ akwụkwọ dị na mmetụta gburugburu ebe obibi mmadụ na-adọghachi mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo azụ. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe a na-azụlite nwatakịrị na gburugburu ebe a na-asụkarị naanị Bekee maka na ha na-ewere asụsụ Igbo dịka asụsụ ndị ime obodo n'echiche nke ha. Ede (2007) kwuru na ọnọdụ nkụzi asụsụ ga-esi gaa nke ọma dị oke mkpa na ndụ ọmụụ.

Anyanwụ (2005) kwuru na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ejighị ọmụmụ asụsụ Igbo kpọrọ ihe, na ọ bụ ya kpatara na ọtụtụ n'ime ha na-ekwu na ịmụ ya bụ naanị maka ịgafe n'ule ụlọ akwụkwọ na WAEC. N'otu aka ahụ, ọ tụrụ aro ime asụsụ Igbo dị ka otu n'ime sọbjekịtị bụ iwu n'ụlọ akwụkwọ nke nwa akwụkwọ ọbụla ga-enweta tupu ọ gafee n'ule. Nke a bụ maka na ụfọdụ ụmụ akwụkwọ kwenyere na asụsụ Igbo abụghị otu n'ime nhọrọ eji abanye ụlọ akwụkwọ dị elu dị ka ọ dị n'asụsụ Bekee nke kpatara na ha anaghị enwe mmasị na ya bụ sọbjekịtị, ma ha anaghị etinye mmụọ ha niile n'ịmụ ya. Enweghị mmasị na ya bụ sọbjekịtị n'akụkụ ndị nne na nna nwere ike na-emetụta imeta nke ọma ụmụ akwụkwọ maka na ha na-ewere asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị ogbenye nọ n'etiti ndị ọzọ. Ọtụtụ n'ime ha anaghị ekwe azụtara ụmụ ha akwụkwọ ọgụgụ Igbo.

Kamgbe e bidoro ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ n'ala Igbo, ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-eme asụsụ Igbo enweghị mmasị n'ịmụ ya bụ sọbjekiti maka na ha were ndị na-agụ asụsụ Igbo dị ka ndị ogbenye enweghị olileanya. Ọtụtụ kwenyere na ha si n'ezinaụlọ nwere akụ na ụba nke mere na ha na-eleda anya n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ epum nke ha kwenyere na ọ ga-ebuda ugwu ha dịka ndị ọgaranya e ji anya isi n'obodo.

Asụsụ Bekee dị ka asụsụ mmekọrịta agbụrụ dị iche iche e nwere na Naịjirịa mere ka ndị mmadụ na-eleda asụsụ agbụrụ anya ọkachasị asụsụ Igbo. Nke a mere ka ndị mmadụ chee na ọmụmụ asụsụ na amamihe bedoro isi n'asụsụ Bekee. Usoro nkụzi adịghị ọkpụrụkpụ ọkachasị usoro nkụzi ọdịnaala ndị nkụzi ji akụzi ihe, na akụzighị ihe nke ọma bụ otu n'ime nsogbu kachasị apụta ihe na-emetụta ọmụmụ na nkụzi asụsụ Igbọ kemgbe mbido ọmụmụ ya bụ sọbjekịtị n'ụlọ akwụkwọ bido na praịmarị ruo na sekọndịrị. Usoro nkụzi ọdinaala bụ usoro nkụzi ọtụtụ ndị nkụzi Igbo na-agbasokarị akụzi ihe nke na-agbasakarị onye nkụzi. Ọ bụ naanị onye nkụzi na-ekwukarị okwu mgbe a na-akụzi ihe nke na-eme ka ike na-agwụ ụmụ akwụkwọ ọsọ ọsọ ma na- ebuda mmụọ na mmasị ha n'ebe ya bụ sọbjekịtị dị. Mgbado ụkwụ nkụzi ọdịnaala na-abụkarị n'isiokwu e nwere ma a tụrụ anya na ụmụ akwụkwọ ga-amụta ya ozigbo ma kwupụta ihe ha mụtara ka o si dị n'ụbụrụ isi ha. Ya bụ usoro nkụzi na-anapụ nwata ikike ịgba mbọ iji amamihe ya tule, tụta aro, maọbụ nwee mkpebi ihe dị mkpa a na-amụ. Nke a na-eme ka mmasị ụmụ akwụkwọ na nnwetalị asụsụ Igbo n'ule WAEC maọbụ NECO na-ala azụ. Ọtụtụ n'ime ha na-ada n'ule Igbo n'agbanyeghị amụma ndị atụmatụ asụsụ (NPE, FRN, 2014). Nke a pụtara ihe na rịpọọtụ si n'aka onye isi ule Igbo (WAEC, 2020, 2021,& 2022) nke kwuru na nnweta na ngafe n'ule Igbo ụmụ akwụkwọ anaghị enye afọ ojuju. Dị ka o si kwuo, ụmụ akwụkwọ enwetaghị ihe a tụrụ anya. Ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe, iwere ọmụmụ asụsụ Igbo dịka agụmakwụkwọ ndị ogbenye, etinyeghị akara ntụpọ ebe ọ kwesịrị, edetaghị Ederede nke ọma n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ so n'ihe na-ebute ọdịda ụmụ akwụkwọ n'agụmakwụkwọ na ya bụ sọbjekịtị, ebe ọtụtụ n'ime ha amaghị asụ Igbo Izugbe nke ọma. Igbo Izugbe dị ka Emenanjọ (1988) kọwara bụ asụsụ Igbo nke ahụ a nabatara ebe niile nke onye Igbo ọbụla na-asụ Igbo na-aghọta na-agbanyeghị olundị dị iche iche dị n'ala Igbo. Ihe a na-ahụ n'ozi gbasara mbọ ụmụ akwụkwọ n'ule WAEC na NECO asụsụ Igbo n'afọ gara aga gosiri na ọtụtụ n'ime ha amaghị asụ Igbo Izugbe, nke mere na ha anaghị emetacha nke ọma. Ọtụtụ n'ime ụmụ akwụkwọ na-ede asụsụ Igbo n'olundị ha maka na ọ bụ ihe ha kwuru n'ọnụ ka ha na-ede, maọbụ ya na-akpata ọdịda ha n'ule. Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ enweghị ike ideru ogo ihu akwụkwọ ole a chọrọ n'ederede nke bụ otu ihu akwụkwọ na ọkara maọbụ narị mkpụrụokwu atọ. Ụfọdụ amaghị iwu ụtọasụsụ gbasara akara nkejiokwu, akara ụdaolu, tensị na itinye ntụpọ (.) ebe o kwesiri, ụfọdụ nwere nsogbu ịza ajụjụ a jụrụ n'akwụkwọ agụmagụ nke gosiri na ha anaghị agụcha akwụkwọ ọgụgụ e wepụtara maka ule WAEC. Ụtọasụsụ bụ sayensị na-ahụ maka usoro iwu asụsụ na ngalaba ya. Ọ bụ ọkpụrụkpụ ngalaba nkụzi na ọmụmụ asụsụ ọbụla ọkachasị asụsụ Igbo bido na praịmarị ruo na mahadum n'agụmakwụkwọ. Alada, Nwadinigwe & Victor (2014) kwuru na ụzọ kachasị mfe mmadụ ga-esi mata ebe agụmakwụkwọ jedebere na-agbado ụkwụ n'ụdị ndị mara ihe a zụpụtara n'ịsụ n'ide asụsụ nke ọma. O kwuru na ụmụ mperi niile na-ebute ndachi azụ dịịrị ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ niile, na-esitekarị na ụmụ akwụkwọ amachaghị etinye ntụpọ, amaghị asụ Igbo izugbe, na amaghị iwu ụtọasụsụ niile dị na ya bụ asụsụ.

Iji chọta ụzọ a ga-esi belata nsogbu chere ọmụmụ asụsụ Igbo ihu, Argbabu & Mji (2004) kwuru na iche nwata akwụkwọ ihu n'ịgụ ọtụtụ ihe ọgụgụ na-enye aka ime ka onye ahụ

mara asụ asụsụ nke ọma, maka na ọ ga-ama ọtụtụ mkpụrụokwu ọhụụ ga-enyere ya aka n'ikwu okwu nke ọma. Ọ kọwara na ọgụgụ na odide ihe metụtara ma kekọ ọnụ n'ọmụmụ dị ka;

1. ịkọwa ihe n'ụdị nchịkọta ihe odide na
2. Ntụgharị ihe ederede dị ka ikwugharị mkparịta ụka ka ọ bụrụ ntimiwu.

ịsụ asụsụ Igbo nke ọma gosiri ịmụta iwu ụtọasụsụ, inwe ike ịsụ ma dee Igbo Izugbe were were na-enweghị mgbagwoju anya, na agbakwụnyeghị olundị. Inweta ikike ịsụ asụsụ nke ọma ga-enyere onye na-amụ asụsụ aka ịkpakọta okwu ma dee ihe nke ọma na ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ, nwata akwụkwọ ga-agba mbọ ịgụ akwụkwọ oge niile.
Ọtagburuagụ, Obah, Onuigbo na Okorji (2007) kwenyere na mkpa ụtọasụsụ dị n'ịmụ asụsụ bụ site n'ikwu okwu, na ịbụ ọka ibe n'ide Ederede na-ebido n' ọzụzụ n'ide ihe oge niile nke gụnyere ịma iwu ụtọasụsụ ụda na ọmụmụ asụsụ na mmetụta o nwere ma tinye ya n'ọrụ. Ụtọasụsụ dị oke mkpa iji chọpụta mmụta nwata akwụkwọ nwere n'ebe asụsụ Igbo dị. Agbo (2001) kwukwara na ime ka nwata akwụkwọ bụrụ onye na-ede Ederede nke ọma ga-enwe isi, maọbụrụ na a na-enyere ya aka ime ka ọ mụta ụtọasụsụ nke ọma, na ime ka ọ na-agụ ọtụtụ akwụkwọ e dere ede. Ederede dị mma ga-aga n'usoro, gosi aka ọrụ odee, ma ụtọasụsụ ya agaghị agbagwoju anya na ntụpọ. Ọ ga-adị n'usoro nke ga-akpalite mmụọ ndị na-agụ maọbụ ndị na-ege ntị ma ọ ga-agbado ụkwụ n'ebumnuche ya bụ Ederede.

Ihe ọzọ onye nchọcha na-eche nwere ike imetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị bụ mpaghara ebe a rụnyere ụlọ akwụkwọ. Ebe a rụnyere ụlọ akwụkwọ dị mkpa nke ukwu ma nwekwa ọrụ ọ na-arụ n'ebe ọmụmụ na mmasị n' ebe ihe dị. E nwere ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị n'ime obodo na ndị dị n'obodo mepere emepe. Obasi (2011) kọwara na ọ bụrụla ihe a mara ama na ụlọ akwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe na-aka eme nke ọma karịa ndị nọ n'ime obodo. N'ihi na a na-enwekarị ndị nkụzi a zụrụ nke ọma na ngwa nkụzi dị mma n'obodo mepere emepe karịa n'ime obodo. Umo (2004) n'echiche nke ya kọwara n'ebe ụlọ akwụkwọ dị na-egosi udịrị ndị nkụzi nọ na ya, tinyekwara ka ebe a na-enwe nkụzi na ọmụmụ dị. Atụtụ Bandura (1977) kwadoro nchọcha a maka na o kwenyere na gburugburu nne na nna na ezinụlọ nọ na ya na-eso, akpalite mmụọ na mmasị ụmụaka n'ebe ọ dị ukwu ịmụ asụsụ maka na ha na-elele ma na-eṅomi ihe na-eme na gburugburu ha. Ezinụlọ nne na nna na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo na-akacha amụta ya ọsọsọ, karịa ezinụlọ na-asụrụ ụmụ ha naanị bekee, ma ọ bụ na-egbochi ụmụ ha ịsụ asụsụ Igbo (Eze & Umo, 2017). Ọtụtụ ndị Igbo na-abara ụmụ ha oke mba mgbe ọbụla ha sụrụ asụsụ Igbo n'ụlọ ha, ma jụ ịzụrụ ha akwụkwọ e ji agụ ya n'ụlọ akwụkwọ. Ọtụtụ oge, ezinụlọ ndị nwere akụnụba na-egbochi nke a, maka na ha kwenyere na asụsụ Igbo bụ ngalaba ihe ọmụmụ ndị ogbenye, na ndị enweghị olileanya na-agụ n'ụlọakwụkwọ. Omume ndị a na-esite n'aka ụfọdụ nne na nna ndị a na-ebute mmụọ ndọchi azụ na emetaghị nke ọma, ụmụakwụkwọ nke a metụtara na ngalaba ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ọtụtụ ihe gosiri na ọtụtụ ihe, dịka omume ụmụakwụkwọ, ndị nkuzi, mmasị, nzere ndị nkuzi, gburugburu, mpaghara ụlọakwụkwọ, ụdị ezinụlọ, iwu gọọmentị, jenda abụm nwoke na nwaanyị bụ nke e nyochatara dịka ihe na-akpalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'agụm akwụkwọ sekọndịrị ọkachasị asụsụ Igbo bụ asụsụ epum.

Jenda abụm nwoke na nwaanyị so n'ihe na-ebute, emetaghị nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo. Eze & Umo (2019) tulere mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ụtọasụsụ Igbo ebe ụmụakwụkwọ ndị nwoke nọ n'ime obodo mere nke ọma karịa ndị nwaanyị. Ndị nwaanyị nọ n'obodo mepere emepe ka meta nke ọma n'ụtọasụsụ Igbo karịa ndị nke nwoke. Alada na Nwadinigwe (2014). kwadoro na ndị nwaanyị na- akọwakarị ihe nke ọma karịa ndị nwoke. Anigolu na Nji (2004) kwenyere na o nweghị jenda na-aka enwe mkpali mmụta n'ọmụmụ. Kisau (2006) kwadoro na jenda ndị nwaanyị na-enwekarị mmasị n'ịmụ asụsụ karịa ndị nwoke bụ ndị na-enwekarị mmasị n'ịmụ mgbakọ na nwep.

**Nsogbu nchọcha**

E nwere ọtụtụ nkwenye na e nwere ezigbo mmetụta dị n'etiti mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na ntọala ezinụlọ mmadụ ha si pụta (Eze & Umo, 2019). Na steeti Enugwu bụ ala Igbo, ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị ịgụ ma ya fọdụ ile asụsụ Igbo n'ule mpụga ukwu bụ WAEC na NECO, ebe ụfọdụ ndị na-amụ ya anaghị enweta maakị rijuru afọ nke na-ebute ọdịda ha emetaghị nke ọma ha n'ule ndị a. Nke a nwere ike isi n'aka ndị nne na nna ndị enweghị ego ha ga-eji zụtara ụmụ ha akwụkwọ ọgụgụ Igbo, ma ọ bụ nne na nna ndị nwere akụnụba achọghị ka ụmụ ha gụọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Nsogbu chere onye nchọcha ihu bụ ịchọpụta ihe mere na ọtụtụ ụmụaka si n'ezinụlọ dị iche iche anaghị emeta nke ọma n'ule WAEC Igbo kwa afọ, nke ha ji enwe mmasị ịmụ ya n'ụlọakwụkwọ. Nsogbu nchọcha a bụ: Mmetụta Akụnụba nne na nna, o nwere ire na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ senịọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

**Mbumnuche nchọcha**

Mbumnuche nchọcha nke izugbe bụ ịchọpụta ogo mmetụta akụnụba nne na nna nwere na mmeta nke ọma na mmasị ụmụakwụkwọ senịọ sekọndịrị n'asụsụ Igbo na zonu Edukeshọnụ Nsụka, steti Enugwu Naijirịa. Nchọcha a ga-agazu metụ aka n'ihe ndị a:

1. Ilele ndịiche dị na mmeta nke ọma jenda nwoke na nwaanyị n'asụsụ Igbo.
2. Ịchọpụta ndịiche dị na mmetuta akụnụba nne na nna na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo.
3. Itule mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ nọ n'ime obodo nakwa obodo mepere emepe.

**Ajụjụ nchọcha**

1. Olee ndiiche dị na mmeta nke ọma jenda nwoke na nwaanyị n'asụsụ Igbo ?
2. Kedụ ka ndịiche dị na akụnụba nne na nna si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo ?

3. Gịnị bụ mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ nọ n'ime obodo nakwa obodo mepere emepe ?

**Ụmaokwu nchọcha**

$Ho_1$ : Enweghị ndịiche dị na mmeta nke ọma jenda ụmụakwụkwọ nwoke na nwaanyị n'asụsụ Igbo.

$Ho_2$ : Enweghị ezigbo ndịmiche na mmetụta akụnụba nne na nna na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo.

$Ho_3$: Enweghị ezigbo ndimiche na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ nọ n'ime obodo nakwa obodo mepere emepe.

**Usoro nchọcha**

Ndị nchọcha ji usoro expo-facto mee ya bụ nchọcha.Usoro expo-facto dịka Eze (2022) si kọwaa bụ usoro enweghị ihe emetụrụ aka na ndịnisiokwu atụtụ niile dị na nchọcha. Ndị njirimee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị 2 dị otu narị na iri abụọ (120) si na zonu Edukeshọnụ Nsụka Steti Enugwu. Naijiriạ.Usoro "stratified random sampling" ka e ji họpụta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri abụọ. Ngwaa nchọcha abụọ e ji nweta data bụ ule n'asụsụ Igbo (UAO) dị iri abụọ n'ọnụọgụ na njụmaaza na ọnọdụ Akụnụba (NOA) dị iri n'ọnụọgụ ewubere n'ogo akara atọ (4 point scale) = Ekwere m (EM), Ekwesiri m ike (EI), Ajụrụ m (A), Ajụsirim ike (AI). Enyefere ngwaa nchọcha ndị a n'aka ndị ọkammụta nọ na ngalaba asụsụ Igbo nakwa measurement and evaluation, Mahadum Naịjiriạ dị na Nsụka. Site na ntụziaka ha, na mgbazi ha, ndị nchọcha deziri ihe niile a rụtụrụ aka, nke mere ka ọdabaa nke ọma na nchọcha e ji ya eme. Usoro ihe omume mmalite na nke mmecha ka e ji nweta akara ntụkwasị obi UAI na NOA n'ogo 0.72 na 0.74 n'otu oge.

RỊZỌLT

**Ajụjụ nchọcha nke mbụ**: Ole ndịiche dị na mmeta nke ọma jenda nwoke na nwaanyị n'asụsụ Igbo?

**Tebulu 1:** Miin na ndịpunizugbe (SD) mmeta nke ọma nwoke a nwaanyị n'asụsụ Igbo.

| Ihe Omume | | | | Ihe Omume Mmecha | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Otu | ọnụọgụ | Miin | Ndịnizugbe (SD) | Miin | Ndịnizugbe (SD) | Ndiiche miin | T | Sig Miin |
| Ndị<br>Nwoke<br>Ndị | 60<br>60 | 14.83<br>18.42 | 10.19<br>9.32 | 46.19<br>52.18 | 13.19<br>16.75 | 19.25<br>22.75 | 1 | 0.31 |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Nwaanyị | | | | | | | | |
| | | | | | | | | |

Tebulu nke mbụ kpughere maakị miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ nwoke na nwaanyị n'asụsụ Igbo. Ọ na-egosi akara miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n' ihe omume mmecha dị 52.18 na 16.75 (SD) .Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị metara nke ọma karịa ndị otu ha ndị nwoke n'asụsụ Igbo.

**Ho1:** Ụmaokwu nke mbụ na-akọwa na sig value 0.32 agbakọtara na mmetụta akụnụba na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ gosiri na enwere mmetụta, ebe mgbakọ value 0.032 pekarịrị akara ntụ 0.05 ($P > 0.05$) . Nke a gosiri na a jụrụ ụmaokwu nchọcha enweghị.

**Ajụjụ nchọcha nke abụọ:** Kedu ka ndịiche na akụnụba nne na nna si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

**Tebulu 2:** Miin na ndịpunizugbe dị na mmetụta Akụnụba nne na nna na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

| | | | **Ihe Omume Tupu** | **Ihe Omume Mmecha** | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ogo Akụnụba (SES category) | Ọnụọgụ (N) | Miin (x) | Ndịpunizugbe (SD) | Miin (x) | Ndịpunizugbe (SD) | Ndiiche miin | T | Sig Miin |
| Akụnụba dị elu (High SES) | 40 | 33.65 | 9.64 | 44.08 | 10.76 | 13.28 | | |
| Akụnụba nọ Ahatanha (Average SES) | 40 | 36.37 | 8.96 | 70.16 | 9.09 | 33.75 | .01 | .32 |
| Ndị ogbenye (Lower class) | 40 | 38.65 | 9.44 | 68.63 | 9.18 | 28.89 | | |

Tebulu 2 na-egosi mmetụta akụnụba nne na nna dị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo. Ọ na-egosi na ụmụakwụkwọ ndị ogbenye nwere akara miin 38.65 na ndịpunizugbe 9.44 n'ihe omume tupu karịa ndị otu ha, ndị nwere akụnụba e ji akwalite nwata n'agụmakwụkwọ. N'otu aka ahụ, ndị otu ogbenye nwekwara akara miin 68.63 na ndịpunizugbe 9.18 n'ihe omume mmecha nke nyere ndịiche miin 28.89.

**HO2:** Enweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin na mmetụta akụnụba na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo. Ebe akara value pekarịrị akara ntụ 0.05 (P <.05), a ga-agbajọ ụmụokwu nchọcha enweghị. Ya mere e nwere ndịiche na mmetụta akụnụba na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo.

**Ajụjụ nchọcha nke atọ:** Gịnị bụ ndịiche dị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ nọ n'ime obodo nakwa obodo mepere emepe?

**Tebulu 3:** Miin na ndipunizugbe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ nọ n'ime obodo nakwa obodo mmepe.

| | | | **Ihe Omume Tupu** | **Ihe Omume Mmecha** | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Mpaghara ụlọakwụkwọ | Ọnụọgụ (N) | Miin (x) | Ndịpunizugbe (SD) | Miin (x) | Ndịpunizugbe (SD) | Ndiiche miin | T | Sig Miin |
| Ime obodo | 58 | 2.66 | .64 | 2.89 | .63 | 0.05 | 1 | .18 |
| Obodo mepere emepe | 62 | 2.24 | .41 | 2.65 | .45 | 0.05 | | |

Tebulu nke Atọ na-akọwa na ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ime obodo nwere akara miin 2.89 na ndịpụnizugbe .63 n'ihe omume mmecha karịa ndị otu ha nọ n'obodo mepere emepe nwere akara miin 2.65 nakwa .45 ndịpụnizugbe n'ihe omume mmecha.

**HO3:** Nke a gosiri na mpaghara nwere ire na mmeta nke ọma n'akara ntụ 0.18 maka na akara value 0.18 karịrị akara ntụ 0.05 (P<.05), a nabatara ụmaokwu nchọcha.

**Nchọpụta**

Nchọpụta gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị metara nke ọma karịa otu ha ndị nwoke n'asụsụ Igbo, mgbe e nyere ha ihe omume mmalite na nke mmecha. Nke a gbasoro usoro

nchọcha Alade, Nwadinigwe na Victor (2014), ndị kwenyere na enweghị ezigbo ndịmiiche na mmeta nke ọma nwoke na nwaanyị.

Nchọpụta sitere na nchọcha a gosiri na e nwere ndịmiche na mmeta nke ọma ndị nọ n'obodo mepere emepe nakwa n'ime obodo. Nchọpụta dabara na nke Taiwa (2013) ma dị iche na nke Kissau (2006). Ndị nọ n'ime obodo metara nke ọma karịa ndị nọ n'obodo mepere emepe, maka na ha nwere nsọpụrụ na ugwu nyee omenaala na asụsụ Igbo karịa ndị nọ n'obodo mepere emepe ejighị asụsụ ha kpọrọ ihe. Nke a nwere ike ibụ mmasị na omume ha gbasara ọmụmụ asụsụ epum nke ha na ewere dịka sọbjekịtị ndị ime obodo na nke ndị enweghị olile anya na-agụ n'ụlọakwụkwọ.

Nchọpụta gosikwara na ụmụakwụkwọ si n'ezinụlọ enweghị ụbara akụnụba metara nke ọma karịa ndị si n'ezinụlọ nwere akụnụba n'ule asụsụ Igbo. Nchọpụtara dabara na nke Hall (2004), Eamon (2000) mana ọdabaghị na nke Ogunshola na Adewale (2012), Barry (2005) bụ ndị kwadoro na ọnọdụ akụnụba nne na nna na-emetụta agụmakwụkwọ nwatakịrị, ịga akwụkwọ nakwa inwe agụ ịrụsị ọrụ ike. N'aka nke ọzọ, ụmụ ndị ọgaranya emeghị nke ọma maka na ha enweghị mmasị ịmụ asụsụ epum ha, nke ha ji agụ akwụkwọ ọgụgụ asụsụ Igbo. Nke a nwere ike ịbụ maka na ha kwenyere na asụsụ epum agaghị eduga ha n'ogo agụmakwụkwọ dara ụda ma ọ bụ nke na-enye mmadụ ugwu n'obodo na gburugburu mmadụ bi.

**Mmechi**

Asụsụ Igbo bụ ngwa mkpakọrịta nwere ike iweta ịdịnotu na ezi mmekọrịta n'obodo Naịjirịa. Ọ bụrụ na o nwere ihe ọbụla na-egbochi ụmụaka inwe mmasị na imeta nke ọma na ya, ọ dị mkpa na gọọmentị na mịnịstrị agụm akwụkwọ gbochiri ya ozigbo. Nke a bụ site na ime ka ndi nne na nna mata uru asụsụ Igbo bara ma, mee ka ha na-enye ụmụaka ha nkwado ịgụ ya n'ụlọ akwụkwọ iji kwalite mbawanye akụnụba na ezi mmekọrịta n'obodo Naịjirịa.

**Ntụnye Aro**

Site n'ihe ndị nchọcha chọpụtara, ha wepụtara ntunyeuche ndị a:

a. Ndị nkụzi Igbo kwesiri inye ụmụakwụkwọ ha ihe omume kwamgbe kwamgbe na klasị iji kwalite mmasị ha n'ebe asụsụ Igbo dị .

b. Gọọmentị ga-agba mbọ iguzobe wọọkshọpụ nakwa semina ebe ndị nkụzi asụsụ Igbo niile ga na-agbakọta kwamgbe kwamgbe na-amụ ụzọ nkụzi ọgbara ọhụụ n'usoro teknọlọjị. Nke a ga-akwalite mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ch. Ndị nne na nna Igbo ọbụla kwesiri ka ha na-asụnyere ụmụaka ha asụsụ Igbo bido mgbe ha dị na nwata. Mgbe ha na-eme nke a, asụsụ Igbo izugbe ga na-abawanye ghara ịnwụ. Nke a bụ maka na ọ ga-enyere ụmụaka aka ịbụ a kwaa a kwụrụ n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ma ha gaa n'ụlọ akwụkwọ. Nke a ga-enyekwa aka belata mmetụta ndị ahụ asụsụ nne na nna ji zulite ụmụaka na-emetụta ha n'ideta na odide edemede asụsụ Igbo.

d. Gọọmentị ala anyị kwesiri ịgba mbọ webata ihe ndị ahụ na-adịghị n'ime obodo, bụ nke dị n'obodo mepere emepe dịka ọkụ latriki ezigbo okporo ụzọ, mmiri bọholu, gbamgbam dị mma, oche, tebul na ihe ndị ọzọ ga-eme ka ụlọ akwụkwọ ndị a dị mma. Nke a ga-eme ka ndị nkụzi Igbo ghara ịnya isi ma ọ bụrụ na akpọga ha n'ime obodo i kụziri ụmụakwụkwọ ihe. N'ihi nke a, ụlọakwụkwọ ndị a ga-enwe ndị nkụzi a zụrụ nke ọma ma belata ndị nkụzi Igbo ji olundị ha akụzi asụsụ Igbo. Ọzọkwa, gọọmentị kwesiri iwebata ngwa nkụzi ndị ahụ na-adịghị n'ụlọ akwụkwọ dị n'ime obodo dịka akwụkwọ ọgụgụ nke nwata akwụkwọ ga-eji mụọ asụsụ Igbo. Ihe ndị a niile ga-ebelata mmetụta ndị a ebe a rụnyere ụlọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ideta edemede Igbo. Ọzọkwa ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ime obodo ga-abụ akwa a kwụrụ n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ọkachasị mgbe ha na-ede edemede Igbo.

e. Ndị nkụzi Igbo kwesiri ka ha na-enye nwata akwụkwọ nwoke ọbụla detara edemede Igbo ya nke ọma ihe njamiike iji kpalite mmụọ ndị ọzọ ịgba mbọ dee nke ha nke ọma n'ajụjụ edemede Igbo ọzọ na-abịanụ. Nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ ndị nwoke tinye uchu n'ọmụmụ asụsụ Igbo ma belata mmetụta jenda na-emetụta emetụta ọmụmụ edemede Igbo.

**Aro**

1. Ndi nne na nna ga-agba mbọ ịkwado ụmụ ha n'ịmụ asụsụ epum, maka ịdịnotu na ezi mmekọrịta n'ala Naịjirịa.
2. Gọọmentị ga-agba mbọ ịzụ ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo n'efu, nke a ga-akwalite mmasị ụmụaka n'ịgụ asụsụ Igbo .
3. Gọọmentị ga-agba mbọ iguzobe ọgbakọ semina kwamgbe kwamgbe ebe a ga na-akọwara ndị nne na nna nwere ego na asụsụ epum bara uru nyee ọgaranya ma ogbenye, a ga na-akọwakwara ụmụaka uru asụsụ epum bara.
4. Ndị gọọmentị ga-ewepụta ihe onyinye na nkwado nke ga-eme ka ụmụaka nwee mmasị ịgụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ.
5. Gọọmentị ga-agba mbọ itinye akwụkwọ ọgụgụ Igbo n'ọba akwụkwọ nakwa iwube laabụ asụsụ maka ịkwalite mmasị/mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ.

**Edemsibịa**


Agbo, J. A. (2001). Promoting reading comprehension in Nigerian secondary schools: Problems, prospects and strategies. *Ogbaru Journal of Education,* 3(1), 40-45.

Alada, O. M., Nwadinigwe, I. P. & Victor, I. (2014). Socio-economic status and gender as predictors of students' academic achievement in economics. *Journal of Education and Practices,* 5(9), 96-110.

Alordiah, C. O., Akpadaka, & Oyiogbodo, C. O. (2015). The influence of gender, school, location and socio-economic status on students' academic achievement on Mathematics. *Journal of Education and Practice*, 6 (17), 130 – 136.

Anyanwu, G. (2005). Makes Igbo language a compulsory course. *The Sun newspaper*, ụbọchị mbutu Ọgọst 3, 2005. ihu. 10

Arigbabu, A. A. & Mji, A. (2004). Is gender factor in Mathematics performance among Nigerian pre-service teachers. *Sex Role*, 51(11), 749-753.

Bandura, A. (1977). *Social learning theory*. Practice Hall.

Barry, J. (2005). The effect of socio-economic status on academic achievement. M. A. thesis, Witchta State University.

Bornstein, N. C. & Bradley, R. H. (Eds). (2003). *Socio-economic status parenting and child development*. N. J. Lawrence Eribaum.

Borodovsky, M. & Gogarden, P. (2010). Economic and social analysis. Oxford publications.

Ede, I.N. (2007). Influence of location in the teaching of French in senior secondary school in Obollo-Afor Education Zone. M.Ed thesis, University of Nigeria Nsukka.

Egbe, C. I. (2015). Effect of integrative teaching approach on secondary school students' achievement and interest in English grammar. Ph.D thesis, University of Nigeria Nsukka.

Emenanjo, N. (2015). A grammar of contemporary Igbo: Constituents features and processes. M and J Grand Orbit Communications.

Emenanjo, E. N. (1988). Linguistics, language of Nation: PortHarcourt, Univerisity of PortHarcourt Press.

Eze, R.I (2022) *Nka Usoro Nchọcha N' asụsụ Igbo*.Chuka Educational Publishers.

Eze, R. I & Umo, U .C (2021) Influence of Juvenile Delinquency on Students' Achievement in Igbo Language in Senior Secondary Schools. *Nsukka Journal of the Humanities*, 29(2), 18 – 27

Eze, R. I. (2019). *Mmụta asụsụ Igbo n'ogo sekọndirị Junịọ*. Chuka Educational Publishers.

Eze R.I & Umo, U (2017). The influence of family upbringing on students achievement on Igbo language in Nsukka LGA of Enugu State .*International Journal of Studies in Education,* 15(1), 88-96.

Eze, R.I & Umo, U. U (2019). Adimire usoro nkụzi nkparịta na nke odịnaala na mmetadebe umụ akwụkwọ sekọndịrị n' utọasụsụ Igbo na zonu edukeshọnụ Ubolo. *Nsụka Journal of the Humanities*, 27(2), 18-27.

Eze, U. T. & Chigbo, N. C. (2011). Factors militating against students' poor performance in WASSCE in oral English in secondary schools in Enugu Urban of Enugu State. B. A. Long Essay, University of Nigeria, Nsukka.

Faaz, M. & Ichan, Z. (2017). A study of the academic achievement of upper primary school students in relation to their socio-economic status: *Journal of Research in Social Sciences and Humanities*, 7(6), 121 – 127.

Grolmick, W. S. (2003). *The psychology of parental control, how well-meant parenting backfire*. Lawrence Eribaum.

Kapinga, O. S. (2014). The impact of parental socio-economic status on students' academic achievement in secondary school in Tanzania. *Internal Journal of Education*, 6(4), 120-132.

Kour, S. & Perveen, A. (2016). Impact of family's socio-economic status on the meritorious performance of University entrants. 6(1), 24-35.

Mccorvery-Watson, C. (2012). Socio-economic status and academic achievement of elementary students in Mississipi. PhD thesis, Walded University.

Milroy, L. (2002). Introduction: mobility, contact and language change working with contemporary speech communities. *Journal of Sociolinguistics,* 20(4), 30-46.

Otagburuagu, E. J. & Anyanwu, P.A. (2002) *Concepts and issues in language studies.* Springfield publishers.

Peters, R.N. (2007). *Language development and teaching in the classroom: A guide to school teachers.* College Hill.

Pettrigrew, E. J. (2009). A study of the impact of socio-economic status on students' achievement in a rural east Tennessee school system. PhD thesis, East Tennessee State University.

Rogers, M. A., Theule, J. Ryan, B. A., Adams, G. R. & Keating, L. (2009). Parental involvement and children's school achievement: evidence for mediating processes. *Canadan Journal of School of Psychology*, 24(1), 34-57.

Kisau, S. (2006). Gender difference in motivation to learn French. *Canadian Modern Language Review* 62(3), 65-69